# ỌCHỊCHỌ NA NTỤKWASỊUCHE NIILE NKE ONYEKRAIST

**Ndi Kọlọsi 2:20-23; 3:1-25.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 411**

**Nde Ndị okenye**

**AMAOKWUIBUN'ISI: "Ya mere dika ndi Chineke rọputara, ndi nsọ ndi ahuwo-kwa-ra n'anya, yikwasinu obi ebere, obi-ọma, obi di ume-ala, idi-nwayọ, ogologo-ntachi-obi; nānagideritanu ibe-unu, were-kwa-nu amara gbaghara onwe-unu, asi na onye ọ bụla nwere ihe ita onye ọ bula uta; ọbuná dika onye-nwe-ayi were amara gbaghara unu, unu onwe-unu me kwa otú a" (Ndi Kọlọsi 3:12, 13).**

**I. Isoro Kraist Nwụkọọ-ọnwụ -- Isoro Kraist Bilikọọ**

1. OnyeKraist sooro Kraist nwụkọọ-ọnwụ n'ebe ihe niile nke ụwa dị, Ndi Kọlọsi 2:20-23; 3:3; Ndi Rom 6:1-6; I Pita 2:24.
2. OnyeKraist sooro Kraist bilikọọ n'ịdịndụ ọhụ, Ndi Kọlọsi 3: 1-4; II Ndi Kọrint 5:17; Ndi Efesọs 2: 1,5,6.

**II. Mmadụ Ochie Ahụ -- Mmadụ Ọhụ Ahụ**

1. Mmadụ ochie ahụ na omumeọjọ na iweọjọ ya niile ka agaatụpụ, Ndi Kọlọsi 3:5-9; Ndi Efesọs 4:22, 25-31.
2. Mmadụ ọhụ n'onyinyo nke Onyeokike ahụ ka agaeyikwasị, Ndi Kọlọsi 3:10,11; Ndi Efesọs 4:24.
3. Agaeyikwasị mmadụ ọhụ ahụ amara niile nke OnyeKraist, Ndi Kọlọsi 3:12-15; Ndi Efesọs 4:32.
4. Aga naazụ mmadụ ọhụ ahụ site n'Okwu ahụ gaabụ kwa isi nke ọlụ ya niile, Ndi Kọlọsi 3:16, 17; Abù Ọma 119:11,97; Jeremaia 15:16; I Ndi Kọrint 10:31.

**III. Obibindụ Nke OnyeKraist**

1. Ndi bụ nwunye ga naedo onweha n'okpuru; ndị bụ di ga naenwe obiọmiko, Ndi Kọlọsi 3:18, 19; Ndi Efesọs 5:22-25,28, 29; I Pita 3:1-7.
2. Ndi bụ ụmụ ga naerubeisi; nne na nna ga naenwe obiebere; Ndi Kọlọsi 3:20,21; Ilu 8:32; Ndi Efesọs 6:1-4.
3. Ndiorù ga naalụọlụ dịka ha naalụrụ Onyenweanyi; ndi new mmadụ ga naenye kwa ụgwọọlụ ziriezi, Ndi Kọlọsi 3:22-25; 4:1; Ndi Efesọs 6:5-9; I Timọti 6:1,2; Jemes 5:4.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Isoro Kraist Bilikọọ

Pọl Onyeozi degaara ndị Kọlọsi akwụkwọ banyere mnwapụta nke kachasị ebube nke imemmụọ. Ọ kpọrọ ya "isoro Kraist ayi bilikọ." Ka anyi tụgharịauche ná nkenke ihe o ji dị mkpa inwe mnwapụta nke imemmụọ a, na ụzọ nke agaesi mee ka ọ bụrụ ihe apụrụ inweta.

Ná mmalite oge Chineke kere mmadụ n'onyinyo wee dede ya n'elu ụwa nka. N'ebe a mmadụ na Chineke yịkọrọ jee ije ma kwurita kwa okwu, ma n'ihi mmehie, emebiri mnwekọrịta a, ọnwụ wee bịakwasị mmadụ niile. Nke karịrị ọnwụ nke anụarụ, n'ihi na Chineke sịrị na n'ụbọchị Adam gaeri mkpụrụ osisi ahụ nke asịrị ya erila na ọ ghaghị inwụ; anyị matakwara na n'ụbọchị ahụ mgbanwe bịakwasịrị Adam. Ọ chọghị kwa mnwekọ na mkparịtaụka nke ya na Chineke, kama o zoro onweya mgbe Chineke bịara n'ubi ahụ. Ọnwụ bịakwasịrị Adam -- ọnwụ nke imemmụọ -- site kwa n'oge ahụ gaa n'iru ụmụ Adam niile ka amụrụ nime mmehie. Devid sịrị, N'ajọomume ka amuputaram; ọ bu kwa na nmehie ka nnem turu imem."

Ma Chineke site n'ịhụn'anya Ya nke naenweghị ọ̀tụ̀tụ̀ tụpụtara atụ̀matụ̀ dị ebube nke mgbapụta nke apụrụ iji kpọghachi onyemmehie nime mnwekọ nke ya na Chineke. O were Jisọs ịnwụọnwụ

n'elu obe jọgburu onweya nke Kalvarị ịkwụ ụgwọ nke mmehie. Jisọs nọrọ ụbọchị atọ nime ili. O wee bilie kwa; Pọl wee naagwa anyi na O si n'ọnwụ bilie ka ewee gụa anyi ná ndi eziomume. Mgbe onyemmehie naabịakute Chineke site na Kraist, naekwupụta ma naajụ kwa mmehie niile ya, naekwere na Jisọs dịka Onyemgbapụta ya, mmekọrịta dị ebube naewere ọnọdụ. Onye ahụ bụ onye amụworo ọzọ -- ọmụmụ nke imemmụọ -- o biliwo ijeije nime ndụ ọhụ, onye ekère ọhụ nime Kraist, ihe ochie niile agasịwo, lee ha aghọwo ihe ọhụ. Pọl gwara ndị Efesọs, "Unu onwe unu ka Ọ me-kwa-ra ka unu di ndu, (mere ka adi ndụ) mgbe unu nọ n'ọnwụ site na ndahie nile unu na nmehie nile unu" (Ndi Efesọs 2:1).

Lee ụgwọ dị ukwu nke Onyenweanyi Jisọs kwụrụ ka anyi wee nwee mnwapụta nke imemmụọ nka dị ebube nke "isoro Kraist ayi bilikọ"!

**Ọchị chọ na Ntụkwasị uche Niile nke Dị Nsọ**

Mgbe azọpụtara mmadụ, mmehie ya niile ka anagbaghara. Ihe ọjọ niile maọbụ omumeọjọ nke o meworo ka anagbaghara ya kpamkpam o wee guzo n'iru Chineke dịka o mehiebeghi mbụ. Ọ dịghị ọlụ eziomume ọ bụla nke ya nke naeweta mmekọrịta a; Ọ bụ ihe alụpụtara site n'okwukwe nke ekwere n'ọlụ ahụ nke Kraist lụrụ na Kalvarị. Ma enwere omume na ọlụ dị icheiche kwesịrịekwesị nke anaadụ mmadụ ọdụ ka ọ naagbso ka o wee nọgide n'ịbụ onye azọpụtara na ime ka Eluigwe bụrụ ulo ya. Okwu abụa banyere ineihe nke Pọl ji kwue bụ́ "nāchọnu" na "tukwasinu;" ha abụa naekwu ihe banyere ihe dị n'elu, ọ bụghị ihe dị n'ụwa.

Ọtụtụ nwere ike naeche na ọchịchọ na ịtụkwasịuche n'ihe bụ ajọ ihe; ma ihe ndịa nụ ụ̀kpụ̀rụ̀ naachị omume nke mmadụ nke dị n'obi mmadụ site n'ọ̀m, ma bụrụ iheọjọ náanị mgbe eduru ha gaa n'ihe naezighiezi. Ihe ọkụ́kụ́ anaakpọ aivi (ivy) nke naarị elu ma naatụhịkwa onweya n'osisi ọzọ gaarịgo elu nánị mgbe ọ hụrụ ihe toro ogologo nke o nwere ike ịtụhị na ya, ma ọ bụrụ na o nweghị ihe ọ gaatụhị na ya, ọ ga naakpụgharị n'ala. N'ụzọ dị otú a kwa, ka ọchịchọ na ịtụkwasịuche n'ihe gaarịgo n'eluigwe ma ọ bụrụ na atụkwasị ha n'ihe nke dị n'eluigwe, ma ọ bụrụ naarapụ ha n'onweha ha gaatụkwasịuche n'ihe nke ụwa ma eleghianya wee si n'ọnọdụ nke ime eziihe baa n'ọnọdụ nke imeihe dị icheiche jọkarịsịrị njọ.

Ọchịchọ maọbụ ịtụkwasịuche n'ihe bụ́ nke ejiri ihe niile nke ndụ dị ugbu a, akụ ya niile, nsọpụrụ ya, iheụtọ ya maọbụ ike ya gbaa gburugburu dị nọọ iche n'ihe Pọl naadụ ndị Kọlọsi ọdụ ka ha chọọ. Ọ chọrọ iweli anya ha elu gafee ihe niile nke ndụ dị ugbu a bụ́ nke naagbanwe agbanwe. "Ebe ayi nādigh-ele ihe anāhu anya, kama ihe anādigh-ahu anya: n'ihi na ihe anāhu anya nādiru nwa oge; ma ihe anādigh-ahụ anya di ebigh-ebi" (II Ndi Kọrint 4:18). Ọchịchọ nke Pọl bụ ka ịhụn'anya nke OnyeKraist n'ebe Chineke nọ, n'ebe eziokwu Ya dị, na n'ebe eziomume Ya dị bụrụ ihe ejikọtara ha na ọchịchọ dị nsọ n'ebe ọlụ Onyenweanyi dị ná ndọgbun'ọlụ maka mkpụrụobi ndị furuefù, irita ha n'uru site n'ọchịchịrị nke mmehie baa nime ìhè dị ebube na inweonwe nke Oziọma Jisọs Kraist. Nime ịnịọkụ n'obi nka dị nsọ nye Chineke, Pọl chọrọ ka ndị Kọlọsi nwee "obi umeala, ịdi-nwayọ, ogologo-ntachi-obi"; n'ihi na matara na mmadụ pụrụ inyebiga onweya ókè n'ọlụ Onyenweanyi ma bụrụ kwa onye dị umealan'obi. Mmadụ pụrụ ịdị umealan'obi n'ezie, n'ebulighi onweya elu, n'agọpụghị onweya maọbụ ịbọrọ onweya ọ́bọ̀, n'otù mgbe ahụ kwa ọ pụrụ inwe nkwuwaokwu di nsọ n'ebe Onyenweanyi na ọlụ Ya dị.

Otù ihe nke Pọl depụtara nke kpatara inwe ọchịchọ na ntụkwasịuche a dịnsọ bụ: "Mgbe ọ bụla agēme ka Kraist ayi pụta ihè, Onye bu ndu ayi, mgbe ahu ka agēme kwa ka unu onwe-unu so Ya puta ihè n'ebube." Site na nka na ihe ndị ọzọ niile nke edeworo n'akwụkwọnsọ, anyi matara na ihe agaeji kpebie ọnọdụ nke anyi gaanọ n'ebube bụ omume anyi dịka NdịKraist na ọlụ nke anyi lụrụ n'ụwa a n'ikwesi ntụkwasịobi. Ihe nlereanya pụtara ihè banyere nka bụ Onyenweanyi Jisọs Kraist Onweya. Mgbe mbilite n'ọnwụ Ya gasịrị, O nwere ọtụtụ àpà nke ọnwụ ahụ nke O jiri ndụ Ya chụaaja; ịdịelu nke mbulielu Ya n'ebube ka emere ka ịdịomimi nke nweda n'ala nke O kwenyere ka eweda Ya mgbe Ọ nọ n'ụwa nka. (Gụa Ndi Filipai 2:8-11). Dika anyi si abịaru nso ịdị ka Ya n'ebe a, otú ahụ ka anyi nka bụ na ụdị mmetuta nke o kwesịrị inwe n'ebe anyi nọ n'ịchọ ihe ndị ahụ dị n'elu na ịtụkwasịuche anyi n'ihe ahụ dum nke dị n'elu.

**Odudonsọ**

OnyeKraist ahụ, mgbe emere ka o soro Kraist bilikọọ wee naaga n'iru n'ọchịchọ na ntụkwasị uche dị nsọ n'ebe Onyenweanyi na ihe niile dị n'elu nọ, n'oge naadịghị anya naachọpụta na enwere

ọlụ dị omimi nke agaalụ n'obi ahụ. Ọ bụ ezie na agbagharawo ya mmehie niile na njehie niile nke o meworo, akanwekwara ụdị nke mmehie nime ya, mkpọrọgwụ mmehie ahụ nke eketara site n'Adam. Pọl kpọrọ nka "madụ ochie ahụ," wee sị kwa na agaeyipụ ya "na ọlụ nile-ya."

Mgbe azọpụtara anyi, ụdị nke anụarụ ahụ maọbụ mmadụ ochie ahụ naenwe ihe otiti dị ukwu. Akpọgidewo ya n'obe, mee kwa ka ọ ghara inwe ike, ma ọ kaanwụghị. Otù oge naabịa mgbe mmadụ ochie ahụ naanwụ, ewee doo obi ahụ nsọ, ịhụn'anya dị ọcha ewee naachị isi n'obi ahụ.

Anaeyikwasị mmadụ ọhụ, "nke anēme ya ka ọ dị ọhụ rue na nmazu dịka onyinyo nke Onye kère ya si dị" (Ndi Kọlọsi 3:10; "nke ekèrè dịka Chineke chọrọ nime eziomume na ịdịọcha nke eziokwu ahụ" Ndi Efesọs 4:24). Onyinyo nke òkìkè Chineke ahụ nke naenweghị mmehie ka anaeweghachi, mgbe ahụ Pọl wee kpọọ ha "ndi Chineke rọputara, ndi di nsọ, ndi ahuwo-kwa-ra n'anya."

Jọn Onyeahụrụn'anya hụrụ mkpughe nke Nwunye ọhụ nke Kraist o wee "gbokwasi onwe-ya ezi ákwà ọcha nēnwu enwu, nke dị kwa ọcha: n'ihi na ezi ákwà ọcha ahụ bu ezi omume nile nke ndi nsọ" (Nkpughe 19:8). N'ebe a Pọl kpọrọ iheịchọmma a, "obi ebere, obi-ọma, obi-dị ume-ala, ịdị nwayọ, ogologo-ntachi-obi; nānagideritanu ibe-unu, were kwa-nu amara gbaghara onwe-unu." Mgbe ahụ ahụ, n'ịchịkọta ihe ndị a niile ọnụ, Pọl sịrị ka eyikwasị ịhụn'anya nke bụ ihe nkekọ nke izuokè. O, lee ezi ịchọmma dị ebube dị otú a!

**Ọ̀zụ̀zụ̀ nke Mmadụ Ọhụ ahụ**

Pọl arapụghị ndị Kọlọsi naegosịghị ha ụzọ ha gaesi naelekọta ma naeme kwa ka mmadụ ọhụ nke imemmụọ ha dị ike n'okwukwe. Ọ sịrị: "Kwenu ka okwu Kraist were àkù-ya nile biri nime unu n'amam-ihe nile; werenu abú ọma na ukwe na abù nke Mụọ Nsọ nēzírita onwe-unu ihe, nādurita kwa onwe-unu ọdụ, nime amara enyere unu nābùnu abù nime obi-unu nye Chineke." Usoro ka aga-atụkwasị n'elu usoro ihe enyere n'iwu n'elu ihe enyere n'iwu, nwantịị n'ebe a na nwantịị n'ebe ahụ Ike agaghị agwụ ha maọlị n'ịnụ Okwu Chineke. Ha agaghị kwa adambà n'ịnara ndụmọdụ banyere ịlụ agha nke imemmụọ ha, ma kama nka ha ga naagbarịta onweha ume site niùkọta ọnụ, site n'ịbụabụ, ikwusa na ikuzi Okwu ahụ dị Nsọ nke Chineke.

Kraist kwesịrị ịbụ isi nke mkpali niile na omume niile n'ebe ihe banyere NdịKraist nọ, ọbụná n'okwu ọ bụla na ihe ọ bụla anaalụ n'anụarụ. Nka n'ezie gaenwe mmetụta n'ebe ezinaulo ha dị, omume ha n'etiti ndị bụ di na nwunye na ụmụntakịrị ịlụ ya dịka ha na alụrụ ya Onyenweanyi. Ọ bụ ihe amaara nkeọma, na ebumn'uche kachasị mkpa nke ndụ ha bụ ibiri Onyenweanyi ndụ na ịhụ na akpọtara ndịọzọ rue ịmara nzọpụta nke Kraist. N'ihi ikwesị ntụkwasịobi n'ọlụ na ịdọgbu onweha n'ọlụ, na ibi ndụ ha nye Kraist, eleghịanya apụrụ ịzọpụta ndị were ha n'ọlụ. Pọl Onyeozi ahụ, ọbụná dịka onyemkpọrọ hụrụ naazọpụtara ndịmkpọrọ ibe ya ma mee kwa ka onyenche nke ulomkpọrọ chegharịa – n'ezie ọ bụghị n'ihi na ọ kpọrọ ha asị ma nwee kwa n'obi megide ha, kama ọ bụ n'ihi na o nwere ịhụn'anya n'ebe mkpụrụobi ọ bụla nke naadịgh anwụanwụ nọ.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị bụ mnwapụta nke Pọl naekwuokwu banyere ya mgbe ọ sịrị, "Ya mere ọ bụrụ na unu soro Kraist-ayi biliкọ"?
2. Kpọọ aha omume abụa dị mma nke Pọl dụrụ ndị Kọlọsi ọdụ́ ịgbaso.
3. Kọwaa ụzọ o nwere ike ikwe mee na agaenwe ọchịchọ nke ịnụọkụnbi nye Onyenweanyi ma dị kwa nwayọ na obiumeala.
4. Gịnị bụ mnwapụta nke Pọl naekwu banyere ya mgbe ọ sịrị, "Yipuchasianu madu ochie ahu na omume-ya"?
5. "Madụ ọhụ" ahụ gaenwe onyinyo nke onye?
6. Gini ka agwara ndị Kọlọsi ka ha naeme iji naazụ̀ ma jigide

kwa mmadụ ọhụ ahụ?

7. Kọwaa ụzọ mnwapụta ndị a nke OnyeKraist gaesi nwee mmetuta n'ebe onye ọ bụla nke nọ n'ezinaụlọ dị na mmekọrịta nke dị n'etiti onye naewe ndi ọlụ na ndị ewere n'ọlụ.